Avian flu bụ ihe egwu na gburugburu ụwa; zenarị mmetụta nnụnụ niile (ọ dị ndụ ma ọ nwụrụ anwụ) tinyere anụmanụ ndị ịhụrụ n'anya, ọkụkọ bi n'ụlọ yana nnụnụ bi n'ọhịa. Ejekwala n'ahịa nnụnụ/anụmanụ ndị dị ndụ yana ugbo ọkụkọ ma ọ kwe omume ma zenarị iri ọkụkọ na esighi nke ọma.

Ọrịa arụ nkịta bụ ọrịa jọrọ njọ, ọ nwere ike ibute ọnwụ ma ọ bụrụ na agwọghị ya ozugbo. Ị nwere ike ịnọrọ n'ihe egwu ma ọ bụrụ na ị metụta ọnụ mmiri anụmanụ bu ọrịa site na ọtịta, ịka mbọ, ma ọ bụ nlacha anụahụ ghe oghe.

Anụmanụ niile, tinyere nwamba, nkịta, enwe, na ụsụ nwere ike buru ọrịa arụ nkịta, yabụ zenarị mmetụta anụ ọhịa yana anụ ndị bi n'ụlọ ebe enwere ike. Mgbe anụmanụ tachara, kaa ma ọ bụ lachaa anụahụ ghe oghe: jiri ncha na mmiri sachaa akụkụ ahụ nke ọma, ma jee hụ onye ahụike nọ n'okirikiri. Enwere ike ịnye gị ndụmọdụ ịmalite ọgwụgwọ onye nwere mmetụta ọrịa arụ nkịta, ma kpọtụrụ GP gị mgbe niile ma ịlaghachite na UK iji nwetazuo ọgwụgwọ ọ bụla ekwesịrị.

### Ozi ọzọ

Ndụmọdụ izugbe maka ndị njem: **www.travelhealthpro.org.uk/factsheet/30/general-advice-for-travellers**

Ndụmọdụ maka ịleta ndị enyi na ikwunibe: **www.travelhealthpro.org.uk/factsheet/91/travelling-to-visit-friends-and-relatives**

## Kedu ihe m nwere ike ịme ma ọ bụrụ na ahụ adịchaghị m?

Ọ bụrụ na ị nwere ihe ịrịbama dịka ahụ ọkụ (38˚C ma ọ bụ karịa), ọrịa dịka flu, nfụkasị ma ọ bụ oke na/ma ọ bụ afọ ọsịsa ọbara dị mgbe ị mechara ma ọ bụ lata njem, ị ga-enwetarịrị enyemaka ahụike n'okirikiri gị.

Echela ka ịlaghachite na UK ma ọ bụrụ na ahụ adịghị gị na mba ofesi, hụ dọkịta ma ọ bụ gaa na klịnịk.

Cheta gwa dọkịta gị maka njem ọ bụla ị mere n'ime afọ gara aga.

Ọ bụrụ na ị gara ebe enwere ihe egwu ịba, ị ga-ahụrịrị nlekọta ahụike ozugbo ma ọ bụrụ na ị nwee ahụ ọkụ ruru 38˚C ma ọ bụ gafee (ma ọ bụ ihe ịrịbama ọzọ nwere ike ịbụ ịba) n'ime otu afọ njem gị.

© Crown copyright 2022.

Enwere ike ịtụ ahịa akwụkwọ efu a site na n'iji koodu ngwaahịa MOSFAM1IG Igbo sitere na weebụsaịtị Mbipụta Ahụike

1p 10K JUN 2022 (APS). Product code: MOSFAM1IG Igbo

UK Health Security Agency Gateway Number: 20121437

This leaflet is also available in Arabic, Bengali, French, Gujarati, Hausa, Igbo, Punjabi, Spanish, Swahili, Yoruba, Urdu, Xhosa and in BSL, large print, braille and Easy Read

Iji tụkwuo ahịa akwụkwọ a gaa na **www.healthpublications.gov.uk** ma ọ bụ kpọọ ekwentị: 0300 123 1002 (elekere 8 ụtụtụ ruo elekere 6 mgbede, Mọnde ruo Fraịde).

UK Health Security Agency

NaTHNaC

# Ịga njem mba ofesi iji gaa leta ndị enyi na ikwunibe

## Ndụmọdụ maka ndị njem



UKHSA_12344_Health advice for travellers leaflets – visiting family_05_ibo.indd 1-3

18/07/2022 09:27:38

## Kwado n'ọdịnihu iji belata ihe egwu ahụike nwere ike ịme na mba ofesi, ọbulagodi ma ọ bụrụ na ị na aga ịleta ndị enyi na ikwunibe.

Ị nwere ike ịnọrọ n'ihe egwu ọrịa anwụnta ma ọ bụ anụmanụ na-ebusa dị ka dengue, Zika na ọrịa arụ nkịta yana ọrịa ofufe nke nri na ihe ọṅụṅụ na ebusa, dịka typhoid na afọ ọsịsa onye njem.

Lelee ma ị chọrọ ọgwụ mgbochi ma ọ bụ mkpụrụ-ọgwụ na egbochi ịba tupu ị gaba.

Sochie usoro iwu ezigbo nri na mmiri ma zenarị iri ma ọ bụ jie anụ ọhịa.

Ị nweghị mkpuchi ọnatarachi megide ọrịa dịka ịba ma ọ bụ typhoid ọbụlagodi na i toro, bie ma ọ bụ na aga obodo ihe egwu kwa mgbe.

Ọtụtụ nsogbu ịba na typhoid UK nwere bụ na ndị mere njem n'obodo ha na-aga kwa mgbe ma ọ bụ ha bigoro mbụ.

## Kedu ihe m kwesịrị ịme tupu m mebe njem?

Lelee ihe egwu ahụike maka ebe ị na-aga yana otu ị nwere ike isi belata ha site na iji akwụkwọ ozi obodo nke NaTHNaC: **www.travelhealthpro.org.uk/countries**

Ọbụlagodi na ị gabugo ma ọ bụ bie n'obodo ahụ na mbụ, ị gaghị enwe ụdị mkpuchi megide ọrịa ofufe ka ndị mpaghara ahụ ma ị ka nọ n'ihe egwu.

Hụ GP gị, nọọsụ ka na-arụ ọrụ, onye na edenye ọgwụ ma ọ bụ klịnik njem izu 4-6 tupu njem maka ndụmọdụ nkeonwe, ọgwụ mgbochi njem yana mgbochi ịba, ma ọ bụrụ na ọ dị mkpa maka ebe ị na-aga.


Ị kwesịkwara ịlele ma usoro ọgwụ mgbochi ụmụaka gị zuru ezu, ị nwezuru ngwaahịa ọgwụ ọ bụla ma nweta mkpuchi njem ziri ezi n'iwu maka njem gị niile.

Ọ bụrụ na ị nwela nsogbu ahụike, dị ime ma ọ bụ na anwa ka ịdị ime, ị nwere ike chọkwuo ndụmọdụ ahụike ma ọ bụ mkpụrụ-ọgwụ na egbochi ịba maka ụfọdụ obodo.

**Cheta**

**Ọ nweghị mgbe oge gafere iji nweta ndụmọdụ njem tupu ị gaba; ọtụtụ klịnik njem na ụlọ ndenye ọgwụ na-enwe oge ọhụhụ ikpeazụ.**

## Kedu ihe m kwesịrị ịme mgbe m nọ n'ofesi?



Ọ bụrụ na ị na-aga n'akụkụ nwere ahụhụ na ebusa ọrịa dịka ịba ma ọ bụ dengue, gbaa mbọ hụ n'iji ọgwụ na-achụ ahụhụ, ma ọ bụ kpuchie anụahụ kpughere ekpughe ma rarụọ ụra n'ime ntofo eji ọgwụ mgbochi ahụhụ were rụọ ma ọ bụrụ na ị noghị n'ebe nwere igwe ntụ oyi.



Ọ bụrụ na edenyere gị ọgwụ mgbochi ịba, sochie ndụmọdụ niile nke ọma (gụnyere ịmalite tupu njem) ma cheta ṅụzuo ya mgbe ị laghachitere na UK.



Ọrịa ajọ nri na mmiri na ebusa dịkarịrị n'obodo ndị nwere ntọala usoro nri dị obere, ụlọ mposi na ebe nsacha ahụ na erughi ọkọlọtọ yana ndị na enweghị ebe esi enweta mmiri dị ọcha.

Sachaa aka gị mgbe niile, karịchara tupu ịkwado nri, iri nri ma ọ bụ ṅụọ ihe ọṅụṅụ yana ka ị gachara ụlọ mposi.



UKHSA_12344_Health advice for travellers leaflets – visiting family_05_ibo.indd 4-6 18/07/2022 09:27:38